# IWU EJI AMATA IHE MERE NA GOMENTI NKE EMERE NA 2011

RIGHT TO KNOW

Ndi Nyere N'aka Bu

OPEN SOCIETY INITIATIVE FOR WEST AFRICA

# IWU EJI AMATA IHE MERE NA GOMENTI NKE EMERE NA 2011

## NKOWA

Iwu a mere ka odiri ohanaeze mfe imata ihe obula mere eme, chedo ihe mere na gomenti n'uzo ka o we diri ohanaeze nma, kpuchita ihe mere eme na ndu ndi madu nke na agbasaghi gomenti, mee ka aghara ita ndi mere ka ndi ajuju mara ihe mere na gomenti ahuhu ma wee kwa dozie ukpuru ndi na aju ajuju ga esi nweta ihe ha choro.

IWU EJI EJI AMATA IHE MERE NA GOMENTI NKE EMERE NA 2011

NDOZI AMAOKWU IWU

NPAHARA :


1. Ike imata ihe emere eme
2. Ihe n'eme na alaka gomenti
3. Uzo esi aju ajuju ihe mere eme
4. Oge enyere iza ajuju
5. Iwere ajuju nye ndi nwere osisa nye ajuju ahu
6. Itinye oge n'elu oge enyere iju ajuju
7. Oburu na asaghi ajuju
8. Ego aga akwu
9. Idobe na idozi ihe mere eme
10. Ibibi ma obu imekasi ihe mere eme
11. Iwua agbasaghi nchekwa ihe gbasara mmekorita Naijiria na mba ndi ozo
12. Iwu ejighi ndi nche obodo na ndi n'eme ka iwu di ire
13. Izu ndi oru gomenti na ihe gbasara iwu imata ihe n'eme na gomenti
14. Ihe mere na ndu madu nke agabsaghi gomenti esoghi
15. Iwua ejighi madu iza ajuju gbasara onye ozo
16. Iwu ejighi onye obula iwu ozo nyere ike iju iza ajuju
17. Iwu ejighi ihe achopu tara ohuu
18. Nkebi
19. Alaka gometi ju iza ajuju
20. Ike enyere uloikpe ileba anya ihe mere azaghi ajuju
21. Ikpe ikpe na nke-nke

22. Ike enyere uloikpe inweta osisa
23. Uloikpe ga elezianya ka oghara igbasara elu uwa ihe agwara ya n'ihi iwu a
24. Onye bu ibu igosi na madu dara iwu a
25. Uloikpe nwere ike inye iwu ka azaa ajuju
26. Ajuju agaghi aza onye ajuju
27. Ikpuchita ndi gomenti zara ajuju n'ihi iwua
28. Ihere ede nke enweghi ike igosi ohaneeze
29. Edemede maka otu esi rua oru.
30. Uzo esi eme ka iwua nwee ike
31. Nkowa
32. Aha iwua

ATUMATU AKWADORO KA OBURU IWU

Ka ohanaeze nwere ike inweta ihe obula mere eme na efu, mee ka odi mfe madu imata ihe n'eme na gomenti, kpuchita ihe mere eme na gomenti n'uzo oga adiri ohanaeze nma, kpuchita ihe mere na ndu ndi madu nke agbasaghi gomenti, mee ka aghara ita ndi mere ka ndi ajuju mara ihe mere na gomenti uta na kwa dozie ukpuru ndi na aju ajuju ga esi nweta ihe ha choro.

Ndi mere iwua bu ndi ome iwu ogbako etiti nke gomenti Naijiria.

Mgbe Iwua malitere

Ike imata ihe na eme

1 (1) Nagbanyeghi ihe obula edere na iwu ozo obula onye obula nke choro nwere ike imata ihe n'eme na gomenti m' obu ihe edere m'obu nke edeghi ede.

(2) Obughi iwu na onye choro imata ihe n'eme na gomenti ga egosiriri otu ihe ochoro imata si gbasa ya.

(3) Onye obula iwua nyere ike imata ihe n'eme na gomenti nwekwara ike ikpoturu uloikpe ka enye iwu ka agwa ya ihe ochoro imata.

Ihe omuma gbasara ndi our gomenti

2. (1) Alaka gomenti obula ga edeputa ihe gbasara ihe oru ha bu na otu ha si aru oru.

(2) Alaka gomenti n'ile ga edozi ihe gbasara ha nke oma ka oga abu na onye obula choro ima ihe gbasara ha ga amata ya na enweghi nsogbu.

(3) Alaka gomenti obula ga agbasa ihe n'eme ebe ha no dika ahiri nke wpaha'ra siri kwue:

(a) Nkowa ihe alaka gomenti ahu n'eme, oru ha na ihe alaka nke no n'okpuru ha n'eme;

(b) Ihe edere n'usoro gbasara:

(i) Ihe n'ile di iche iche edere di na aka onyeisi alaka ahu ka oga abu na onye n'acho imata ihe n'eme na gomenti ga enweta ihe ona acho ngwa ngwa.

(ii) Akwukwo ebe edere otu ndi na aru oru na alaka gomenti ahu si aru oru ha.

(c) Nkowa edere ede gbasara otu esi kpebie ikpe obula gbasara ime ka onye ajuju mara ihe omuma gomenti na kwa ndi kwere na ndi ekweghi na ikpe ahu.

(d) Akwukwo nke edere:

(i) Iwu eji achi alaka gomenti ahu,
(ii) Ihe nkpebi eji achi alaka ahu na kwa nkowa so nkpebi ahu,
(iii) Nkpebi otu esi achi alaka ahu na kwa na utu uche na nkwekota otu esi achi alaka ahu,
(iv) Ihe mere eme nke edere ede gbasara nchoputa ndi nlekota nke edere ede na kwa ihe n'ile amuru amu gbasara alaka ahu m'obu nke alaka ahu mutara ma obu kwanu nke ndi ozo mutara,
(v) Ihe omuma gbasara ego gomenti nyere alaka ahu ma okwanu ego ozo obula ha nwetara,
(vi) Aha, ugwo onwa, okwa ndi oru na ndi isi oru alaka ahu na kwa mgbe ha bidoro oru,
(vii) Ike iwu nyere gomenti, alaka gomenti ma obu ndi ozo n'ebe alaka ahu no, na
(viii) Aha ndi isi n'ile na otu ha si tulie aka mgbe ana ekpebi ihe obula gbasara alaka ahu.

(e) Ihe edere n'usoro gbasara:

(i) Ebe edemede ndi na acho iruru gomenti oru dere di, na ike enyere ndi madu na nkwekorita gomenti na ndi na aruru ha oru nwere;
(ii) Ebe ndi gomenti ruru oru dere ihe nchoputa, ihe edere ede, ihe nmuta, na ihe mgbasa nke mere;
(iii) Ebe obula edosara ihe enyere enye maobu edemede nkwekorita nke alaka gomenti ahu na alaka gomenti ndi ozi maobu okwanu ndi ozo abughi gomenti;

(f) Okwa onye ndi na acho imata ihe n'eme na gomenti ga aju ajuju na kwa ebe aga ezigara ya ajuju ahu. Ma otu osila di, oburu na iwu ejighi ndi gomenti iza ajuju ajuru ha, nkea agaghi egbochi ndi n'aju ajuju maobu ndi n'acho ihe ochicho achoputa ihe ha na acho.

(4) Alaka gomenti obula aghaghi ime ka ihe omuma n'ile nke ekwuru na amaokwu nkea buru ihe emere ka orue ndi n'acho ya aka n'uzo di iche iche: ma site n'edemede, site na nke komputa na kwa nke intaneti.

(5) Na mgbe na mgbe, karia, mgbe ihe mgbanwe di, alaka gomenti obula ga na agbasa ozi ihe n'eme n'ebe ha no.

(6) Onye obula iwu a nyere ike iju ajuju m'obu ichoputa ihe n'eme na gomenti nwekwara ike ikpoturu uloikpe ka amanye ndi gomenti ka ha zaa ajuju ajuru ha.

(7) Alaka gomenti putara ndi na achi achi, ndi n'eme iwu, uloikpe na ndi na elekota ha anya, ogbako m'obu otu gomenti hiwere ka ha na aru oru di iche, na kwa ndi kompeni obula gomenti nwere oke karia ndi ozo m'obu ndi obula gomenti na enyetu ego.

3. (1) Onye obula choro imata ihe n'eme na gomenti ga eso ukpuru ehiwere na npahara mbu nke iwu a.

Otu esi aju ajuju ihe ha n'eme

(2) Asikwari na ihe omuma adighi na onodu ihe edere edere; ma na odi na n'uzo enwere ike iweputa ma oburu na etinye ya na igwe, aga akpo ihe ahu, ihe edere ede n'ebe iwua di.

(3) Onye amaghi odude na ogugu ma okwanu onye oria mere na onweghi ike ide ihe nwere ike igwa onye ozo ka odere ya akwukwo nke eji aju ajuju n'imezu ihe edere na ahiri nke mbu nke npahara nkea.

(4) Onye obula obu oru ya ime otu ahu ga esoro ukpuru ekwuputara na ahiri mbu nke npahara wee deputara onye obula ji onu kwue ihe ochoro, ma nye kwa onye ahu otu n'ime ihe ahu edere ya.

4 (1) Etinye uche n'ihe npahara nke 6, 7 na 8 nke iwua kwuru, onye obula ajuru ajuju na okpuru iwua nwere abali asaa:

Oge eji enye ma okwanu isa ajuju

(a) Ime ka onye ajuju mata ihe ochoro ima;

(b) Oburu na alaka gomenti ajuru ajuju achoghi inye onye ajuju ihe ochoro, ha ga edere onye ahu akwukwo gwa ya hoo-haa na ha agahi agwa ya ihe ochoro ma na ha ga gwakwa ya ihe mere ha enweghi ike igwa ya na kwa npahara iwua nke ha dabere we ju igwa ya ihe ochoro.

5. (1) Oburu na alaka gomenti ajuru ajuju choputara na n'obu alaka gomenti ozo nwere ike iza ajuju ahu, ha ga ewere ajuju ahu, n'ime abali ato ma na azaya akarighi abali asaa, nye alaka nke nwere ike iza ya; ha ga gwa kwa onye ajuju maka nkea, wee gwa kwa ya na onwere ike iga uloikpe ma oburu n'otu esi were ajuju ya nye alaka ozo adighi ya nma.

Iwere akwukwo onye ajuju dere nye ndi ga aza ya

(2) Aga ewere ya na alaka gomenti obula nwetara ajuju n'aka alaka ozo nwetara ya mgbe ajuju ahu batara ha n'aka site na alaka nke mbu.

(3) Na ikowa ahiri nke (1) nke npahara iwua, aga asi na ajuju gbasara alaka gomenti ma oburu:

(a) Na obu alaka ahu weputara ihe omuma onye ajuju choro ima m'obu kwanu na emere ihe omuma ahu nye alaka ahu;

(b) M'obu alaka ahu bu uzo nweta ihe omumua na agbanyeghi na obughi ha weputara ya maobu ka eweputara ya.

6. Oburu na alaka gomenti anata ajuju ma ha enweghi ike iza ya dika npahara 5 na nke 6 kwuru, ha nwere ike itinye oge nke agafeghi abali asaa n'elu oge ha nwere iza ajuju ahu ma oburu na: Itinye oge aga azaa ajuju

(a) ihe onye ajuju choro ima buru ibu nke bu na oge iwu nyere iza ajuju agahi ezu ga agafe, m'obu na oga emetuta oru alaka ahu n'uzo di njo; ma okwanu na

(b) Oga adi mkpa na alaka ahu ga acho nchochuputa nke ga ewe ogologo oge, mana ha ga a gwa onye ajuju ihe mere gwakwa ya oge ha choro itinye n'elu oge iwu nyere ha, wee gwakwa onye ajuju na onwere ike iga uloikpe ka eleba anya n'oge etinyere maka iza ajuju ahu.

7. (1) Oburu na alaka gomenti obula aju iza ajuju m'obu inye onye ajuju ohere ka ochuputa ihe nchoputa nke di n'okpuru iwua, alaka gomenti ga agwariri onye ajuju na agaghi aza ya ajuju ya, gwakwa ya akuku iwu nke alaka ahu dabere wee ju iza ajuju ajuru ha na kwa na onye ajuju nwere ike iga uloikpe ka oleba anya na ya. Ajukwanu iza ajuju

(2) Nkowa ahu aga akowara onye ajuru na agaghi aza ya ajuju ya ga gosi aha, okwa na signecho onye obula so kpebie na agaghi aza ajuju ahu.

(3) Gomenti m'obu alaka ya juru iza ajuju ahu ga etinye na ndeputa ha ji ju iza ajuju na ihe ahu onye ajuju n'acho ma odi ya ma obu na odighi ya.

(4) Oburu na gomenti m'obu alaka ya aju inye onye ajuju ohere ka onweta ihe ona acho n'okpuru iwua na oge iwua nyere ha, aga ewere ya na na alaka ahu ajula iza ajuju ahu.

(5) Oburu na uloikpe ama onye isi olu gomenti ma obu alaka gomenti ikpe n'ihi na okweghi ka onye nchota chota ihe ona acho, onye ahu amara ikpe ga akwu ugwo iwu nke bu nari puku naira ise (N500,000.00).

8 (1) Nani ego onye ajuju ga akwu bu ego eji ese akwukwo foto ma obu weputa ihe edere ebe odi.Gomenti n'ile m'obu alaka ya ga n'edebe ihe edemede gbasara ya n'uzo ga eme ka odi mfe ohaneeze ichoputa ihe mere na gomenti dika iwua si kwue.

Ugwo agakwu iji nweta oziza

9\. (2) Gomenti ma obu alaka ya ga ahu na ahaziri ma chekwa ihe omuna gbasa usoro oru na ndi oru ya.

10\. Iwu ije nga otu afo nke ji onye isi alaka gomenti obula kpachara anya bibie maobu metoo ihe edere di n'aka ya tutu enye ya onye ajuju, ma obu onye ozo obula.

Ibibi m'obu imetosi ihe edere ede

11\. (1) Alaka gomenti nwere ike iju iza ajuju obula ga etinye Naijria na nsogbu n'ebe nmekorita ya na mba ndi ozo di ma obu n'ebe nchedo obodo Naijiria di.

(2) Na agbanyeghi ihe edere na ahiri (1) nke npahara, oburu na iza ajuju ahu ga abara ohanaeze uru karia ihe obula anacho ikpuchite, aga aza ajuju ahu.

Ajuju gbasara Naijiria na obodo ozo m'obu nchedo obodo

12\. (1) Alaka gomenti nwere ike iju iza ajuju nke ihe ndia di n'ime ya:

(a) Ihe alaka gomenti dere ede eji eme nchoputa megide onye oru gomenti m'obu ikpupu madu uloikpe ndi okenye maobu uloikpe umuaka ma o bu kwanu ihe gbasara alaka gomenti nke na agbasaghi onye ozo, ma na nkea ga adi ire ma oburu na:

(i) Oga emegide ikpe ana ekpe m'obu nke anakwado ikpe onye obula m'obu nke ana ekpe umuaka,

Nwepu ewepuru ndi na achoputa otu esi daa iwu m'obu ndi mee ka iwu di ire.

(ii) Oga emegide nchoputa alaka gomenti na achoputa nke aga eji ama madu ikpe,

(iii) Ga eme ka aghara ikpe onye ana ekpe ikpe ikpe ziri ezi,

(iv) Ga eme ka amara onye na gwa gomenti okwu nzuzo, na

(v) Ga eme ka ohanaeze mara ihe gbasara madu nke agbasaghi ndi ozo; ma na oburu na ikwuputa nkea ga abara ohanaeze ezi uru, aga ekwupata ya na agabnyeghi, na

(b) Oziza oga abu azaa, otinye ulo nkporo na nsogbu.

(2) Na agabanyighi ihe obula edere na npahara, oburu na iza ajuju ga abara ohanaeze ezigbo uru, aga aza ya na agbanyeghi na o ga emejo onye obula.

(3) Alaka gomenti nwere ike iju iza ajuju obula ga eme ka ida iwu gomenti di mfe.

(4) Ihe "ime ka iwu di ire" di ka esi dee ya n npahara (1)(a) putara:

(a) Ime ka iwu obula steti m'obu gomenti etiti mere ma obu ndi no n'okpuru ha mere,

(b) Nke emere na aha iwu steti, gomenti etiti m'obu nke emere n'okpuru ha.

13. Alaka gomenti obula ga ahu na eweputara ihe eji azu ndi isi bayere inye ohanaeze ohere ka ha mata ihe ha choro imata bayere gomenti di ka esi kwue ya na iwua, ka iwua

Izu ndi oru goment

wee nwe isi.

maka ike enyere ndi madu imata ihe na otu esi eme ka iwu a di ire

14. (1) Na irube isi hiri (2) nke npahara 6, alaka gomenti ga ajurriri za ajuju obula gbasara madu na onwe ya na agbasaghi alaka ahu, ihe gbasara madu bu:

Ihe ufodu gbasara madu nke na agbasaghi onye ozo

(a) Ihe edere ede maka ndi onye ahu na aruru oru, ndi bi na obodo, ndi ana akuziri nkuzi m'obu ndi ozo ana aruru oru maobu ana enyere aka gbasara ahuike, nmuta, oru aka, ego na ndi ana elekota site na enyem-aka gomenti;

(b) Ihe edere ede gbasara ndi ewere na oru, ndi enyere oru, m'obu ndi meriri na ntuli aka elu nke alaka gomenti obula maobu ndi choro ihe ndia;

(c) Ihe edere ede gbasara ike ndi gomenti nyere ndi na aru oru puru iche;

(d) Ajuju obula ajuru madu maka itu itu obodo nke eji mata ihe asi ya tuo na utu; mana oburu na iwu asi na nkea abughi ihe nzuzo, enwere ike iju ajuju maka ya.

(e) Ihe gbasara onye gbara ama eji na enyocha onye obula maobu kpupu ya n'uloikpe maka iwu gomenti odara.

(2) Alaka gomenti ga aza ajujugbasara madu ma oburu na:

(a) Onye ihe ahu gbasara kwere ka azaa ajuju maka ya; maobu na:

(b) Ohanaeze amara la aziza ahu.(3)Mgbe obula iza ajuju gbasara madu ga ebulite oga n’iru ohanaeze, alaka gomenti ajuru ajuju ahu ga aza ya na agbanyeghi na ogbasara ndu madu, ma na alaka ahu gakwa erubere npahara 14(2) isi mgbe ona eme nkea.

15. (1) Alaka gomenti ga aju iza ajuju obula gbasara:

Ajuju gbasara onye ozo esoghi

(a) Ihe nzuzo onye ahia ji azu ahia, m’obu ihe omumua gbasara ego madu ma obu ik di iche nke ogbara mbo nweta ma o bu kwanu mgbe igwa madu ihe ahu ga emebiri onye ozo ihe; otu osila di, onye nwe ihe omumua ahu nwere ike ikweta ka agwa ya madu;

(b) Ihe omumua oga abu na agwa ya madu omebiere onye ozo nkwekorita maobu atumatu ya na onye ozo;

(c) Onu ahia ndi na acho ka ha na gomenti nwee nmeko nyere gomenti na nzuzo nke oga abu ekwuputa ya omebiere onye huru onu ahia ahu ihe maobukwanu onye ozo ewere ya kupu onye bu uzo huo onu ahia ahu.

(2) Na agbanyeghi ihe ahiri (1) nke npahara kwuru, alaka gomenti agaghi aza ajuju obula gaeme ka ekwuputa ihe omuma gbasara ileta otu ala na ihe di n’ime ya di, nke alaka ahu mere m’obu nke onye ozo mere ya.

(3) Oburu na alaka gomenti obula azaa ajuju gbasara ihe nmuta sitere na nleta ala n’ihe di n’ime ya, oga eji edemede kowara oju ajuju otu esi nweta ihe omuma ahu.

(4) Nagbanyeghi na iza ajuju gbasara ihe edere na ahiri (1) nke npahara, ga eme ka aghom ahia diri onye obula, alaka gomenti ga aga n’iru zaa ajuju

onye ajuju juru maka na aoburu na oziza ahu ga abara ohanaeze oke uru na ime ka ahuisike na nchedo diri ha.

16. Alaka gomenti nwere ike iju iza ajuju nke oziza ya ga emegide: Aga ezo ihe iwu si ka ezoo.

(a) Ihe nzuzo na adiri onye okaiwu na onye ona aruru oru

(b) Ndi oru ulo ogwu na ndi ha na agwo oria

(c) Ihe nzuzo ndi nta-akuko ji aru aru oru, na

(d) Ihe nzuzo obula nke iwua kwadoro ndi oru ji aru aru

17. Alaka gomenti nwere ike iju iza ajuju ihe gbasara nmuta nke ndi na achoputara ha ihe ohuu choputara. Ihe ndi n'achoputa ihe ohuu

18. Na agbanyeghi ihe iwua kwuru, oburu na alaka gomenti asi na iwu ejighi ha iza ajuju onye oju ajuju juru ha, alaka ahu ga aga n'iru iza ajuju obula nke esoghi na ndi iwu gbochiri iza. Nkebi

19. (1) Alaka gomenti nwere ike iju iza ajuju nke gbasara: Gomenti ju iza ajuju maka ihe edere ede

(a) ana aju umuakwukwo, otu esi ama onye zatara ajuju na uzo ozo esi amata nwakwukwo na amuta ihe m'obu onye ocho oru mara ihe karia ibe ya;

(b) Ihe osise maobu odide ndi akitek nakwa ndi nkanuzu nke gomenti tinyeturu ego na ya maoburu na igwa ya madu ga emebi nchedo obodo; na

(c) Edemede gbasara ndi na agu akwukwo n'ulo akwukwo nke enwere ike iji

mara udi akwuwko ha na agu.

(2) Nagbanyeghi ihe obula edere na npaharaa, agaghi aju iza onye ajuju ajuju ya ma oburu na iza ajuju ahu ga abara ohanaeze oke uru karia aghom ahia onwere ike igho onye ozo obula ajuju ahu gbasara.

20. Onye obula gomenti juru iza ajuju ya nwere ohere n'ime iri abali ato site na mgbe gomenti juru iza ajuju ahu m'obu mgbe aga asi na ajula iza ajuju ha, ikpoturu uloikpe ka onye iwu ka azaa ajuju ahu ma na uloikpe nwekwara ike itinye ubochi n'elu iri abali ato ahu na mbido maobu mgbe iri abali ato ahu gachasiri.

Ike uloikpe nwere ileba anya

21. Uloikpe agaghi egbu oge obula inu aririo onye ajuju rioro ya ka enye gomenti iwu ka ozaa ya ajuju.

Ikpe ikpe ngwa ngwa

22. Nagbanyeghi ihe obula Iwu Eji Agba Aka-ebe (Iwu Evidensi) ma obu kwanu iwu ozo obula di na okpuru ya kwuru, uloikpe nwere ike inye iwu ka eweta ihe obula gomenti dere ede ka eleba ya anya mgbe ana ekpe ikpe nke gbasara amaokwu 20 nke iwua, nke bu na gomenti enweghi ike iju iweta ihe ahu uloikpe si ha weta.

Uloikpe nwere ike ile ihe obula anya

23. Mgbe obula uloikpe na ekpe ikpe sitere na amaokwu 20 nke iwua, onwere ike ikwe ka ndi juru iza ajuju ajuru ha zite onye nnochite ga abia kwuchite onu ha n'uloikpe ma obu kwanu na nzuzo ka uloikpe wee kpachara anya ihu na ekpugheghi ihe gomenti kwesiri izo ezo.

Uloikpe ga ejide ihe obula enyere ha n'aka make iwua

24. Obu alaka gomenti obula kwuru na iwu ejighi ha iza ajuju ka odiri igosi uzo osi buru na iwua ejighi ha.

Ibu diri onye achoghi iza

ajuju

26 Iwua emetutaghi: Ihe iwua emetutaghi

(a) Ihe edere ede nke ana ere na ahia;

(b) Ihe edebere na ulo ohanaeze na nwe ohere iga gua akukwo m'obu ebe ana aga lee ihe mgbe ochie;

(c) Ihe obula edebere nye onye obula na abughi gomenti na Nashonal Laibrari, Nashonal Musiumu m'obu ebe ohanaeze nwere ike iga na Nashonal Akaivu nke gomenti etiti Naijiria.

27. (1) Nagbanyeghi ihe obula edere na Kriminal Kodu, Penal Kodu, Ofishal Sikrit Akti m'obu iwu ozo obula, iwu eji aga ulo nkporo ma obu nke eji akwu ugwo ejigh onye oru gomenti m'obu onye obula na aruru alaka gomenti obula oru bu onye ji ezi obi ya gbaa ama ihe n'ile na eme m'obu ufodu n'ime na eme na gomenti maka na anataghi onye obula ike tutuu ogbawa ama ahu ma o buru na oburii n'obi inata ike ahu.

Nkpucheta ndi na aruru ohanaeze oru cap, c38 LFN 2004, cap P3 LFN, 2004 cap 03 LFN 2004

(2) Iwu Kriminal Kodu, Ofishal Sikrit Akti m'obu iwu ozo obula ejigh onye oru gomenti nke gwara madu ihe n'eme na gomenti na anataghi ike ma oburu na onye ogba-ama ahu ji ezi obi kwere na ama ahu ogbara ga egbochi:

(a) Imebi iwu obula

(b) Ejikotaghi ihe etinyere madu n'aka nke oma, itufusi aku gomenti, izu ori m'obu iwere ike iwu nyere ya mebie ihe, m'obu

(c) Ihe di egwu nke na abia n'obodo nye ahuike m'obu nchedo ohanaeze, na

agbanyeghi na onye gbara ama ahu erubereghi iwua isi.

(3) Iwu ulo nkporo maobu iwu nke eji akwu ugwo onye emejoro ugwo ejighi onye obula n'ihi na onatara ama ahu agbara ya ma o kwanu na ogbasara ama ahu nye ndi ozo.

28. (1) N'ihi na alaka gomenti kwuru na ihe omuma edowere n'aka ha bu ihe nzuzo na okpuru iwu Ofishalu Sikrit Akti egbochighi na agaghi ekpughe ya ma oburu na onye choro ima ihe ahu ga ede akwukwo ka ekpughe ya site n'ike enyere na amaokwu 11, 12, 14, 15, 16, 17, 19, 20 ma obukwanu 21 nke Iwua.

Ideputa akwukwo na akowa uzo esi ruo otu

(2) Ma oburu na alaka gomenti ahu achpota na onwe ha na ihe ahu onye ajuju choro ima di ka edere na ahiri (1) nke amaokwua emegideghi iwua, oga enye ahu ihe ochoro.

Cap 03 LFN 1990

(3) Oburu na alaka gomenti ahu asi na ihe onye ajuju choro ima di n'okpuru ahiri (1) nke amaokwua, ha ga agwa onye ajuju.

29. (1) Tupu m'obu na abali mbu nke Febuwari n'afo n'ile, alaka gomenti obula ga edekota otu ha si tinye iwua na oru n'afo gara aga wee zigara ya onye isi ndi okaiwu gomenti etiti; ihe aga ede n'akwukwo ahu bu ihe ndia:

(a) Ajuju n'ile ndi ajuju juru nke alaka gomenti ahu juru iza na kwa ihe mere ha azaghi ya;

(b) Mkpesa onye ajuju kpesara megide ojuju ajuru iza ajuju ahu na kwa otu esi kpebie ikpe nkpesa ahu;

(c) Nkowa ma uloikpe o kwenyere na alaka gomenti ahu mere nke oma na iju iza ajuju na kwa kpom-kwem ajuju ahu alaka gomenti juru iza;

(d) Ajuju n'ile nke n'eche oziza na abali iri ato na otu nke Okutoba afo gara aga na kwa etiti ubochi ole ajuju noro na alaka gomenti ahu;

(e) Ajuju ole ajuru alaka gomenti ahu na kwa ole n'ime ha ha tinyere onu;

(f) Nkebi ubochi ole owere alaka gomenti iji zaa ajuju ahu di iche iche;

(g) Ego alaka gomenti ahu natara iji weputa oziza nye ajuju n'ile ahu; na kwa

(h) Madu ole oru nani ha bu iza ajuju na kwa ego ole o furu alaka gomenti ahu ihu na azara ajuju ndi ajuju.

(2) Alaka gomenti obula ga eme ka edemede otu ha si ruo oru rue onye obula choro ya aka site n'ime ka odi mfe inweta ya na komputa na kwa telefonu, ma na oburu na alaka gomenti ahu enweghi komputa na telefonu, n'uzo obula nke eji eletriki eme.

(3) Onye isi ndi okaiwu gomenti etiti g'eme ka edemede ahu buru ihe ebiputara n'akwukwo, tinye ya na kmputa na kwa intaneti ka oga abu na onye obula choro ga enweta ya na otu ebe.

(4) Onye isi ndi okaiwu gomenti etiti ga eme ka ndi isi ndi komitii ndi ome iwu gomenti etiti na ahu maka oga n'iru gomenti, idi nma gomenti na kwa uloikpe mara maka ihe ahu alaka gomenti dere na Epril nke afo o natara ya, wee mee ka ha nweta ihe odede na akwukwo ebiri ebi na kwa na komputa.

(5) Onye isi ndi okaiwu gomenti etiti ga ehiwe usoro ihe ndeputa ahu nke edere na npahara a ga eso, uzo aga esi mara na ha mere nke oma na kwa ihe ozo obula ochere ga eme ka o gaa nke oma.

(6) Onye isi ndi okaiwu gomenti etiti ga ahu na alaka gomenti n'ile iwua gbasara mezuru ihe iwua kwuru.

(7) Onye isi ndi okaiwu gomenti etiti gaenye ndi ome iwu nke gomenti etiti ihe edemede gbasara esemeokwu n'ile sitere na iwua, ndi ni'me ha iwua agbasaghi, otu esi kpebie ha na kwa ego anatara ndi azara ajuju na nke ndi dara iwu kwuru tupu m'obu na abali mbu nke Epril.

(8) Ihe odide ahu ga egosi mbo alaka gomenti n'ahu maka iwu na ikpe gbara ihu na alaka gomenti n'ile n'emezu ihe edere na iwua.

(9) Na ikowa ihe npahara putara:

(a) gomenti' putara ndi oje-ozi, ndi agha, kompeni gomenti nwere kpam-kpam, kompeni gomenti nwere oke karia ndi ozo, alaka obula ehiwere n'okpuru onye is ala, m'obu alaka gomenti obula nke noro onwe ya m'obu nke na efe ohanaeze; na

(b) "ihe omuma" na iwua putara ihe omuma bu ihe mere eme nke di na aka ndi gomenti na udi obula odi, m'obu nke enwere ike imetu aka m'obu nke no na igwe eletriki.

30. (1) Ebum n'obi iwua bu ikwado ohere n'ile ndi ajuju nweburu ichota ihe na gomenti; obughi ka egbochie ohere diri madu ima ihe na eme na gomenti mgbe emebeghi iwua. Usoro ga enyere iwua aka

(2) N'iza ajuju ma onye obula onwere ohere inweta oziza nye ajuju gbasara gomenti puta, aga eji ihe edere na ebea zaa ajuju ahu.

31. Na iwu a: Nkowa

"onye ajuju" putara onye obula dere akwukwo na ochoro ima ihe na eme na gomenti dika iwu a si kwue.

"ajuju" putara ajuju maobu aririo gbasara ihe edere na iwua

"uloikpe' putara uloikpe Hai Kotu nke steti maobu nke gomenti etiti

"mba ozo" putara obodo ozo obul na abughi Najiria

"ihe omuma" putara ihe n'ile edere ede, ihe omuma obula emere na udi obula, nke edere ede, nke di na eletriki, nke esere ese, nke ekwuru na onu, na udi ozo di iche iche.

"alaka gomenti" putara ndi ome iwu, ndi oje ozi, ndi okpe ikpe, ndi oru gomenti, ndi ndumodu gomenti, bu otu n'ile gomenti hiwere ije ozi ma obu ndi ozo gomenti n'enyere aka ma okwanu na akwu ugwo ha n'ile, m'obu ndi abughi gomenti ma na aruru ohanaeze oru maobu ji ego ohanaeze aru oru.

"ihe omuma m'obu nke edere nke ohanaeze" putara ihe omuma obula di n'uzo obula nke emere n'ihi ohanaeze nagbanyeghi na ndi ji ya abughi gomenti, nke gbasara:

(a) Ihe obula edere ede,

(b) Ihe obula mere eme nke etinyere na udi obula maobu nke esitere na ya weputa,

(c) Ihe obula edere ede maobu see ese nke ga eme ka madu mata ihe ozo miobu nke atakwunyere n'ihe ahu,

(d) Akwukwo, ihe osise eji ama uzo maobu ihe osise ozo

(e) Foto, ihe eji asa foto, ihe eji adoro okwu maobu onyonyo, na ihe n'ile eji enweta, tuharia maobu weputa foto maobu ihe esere ese;

"Minista" putara onye oje ozi gomenti etiti na ahu maka igbasa okwu.

"madu" putara onye did ndu, kompeni ndi gomenti na ndi otu ehiwere ehiwe na aruru onwe ha oru maobu na arukota oru na otu;

"Ihe gbasara madu na agbasaghi ohanaeze" putara ihe omumua obula amara maka onye obula amara ama nke emetutaghi oru ona aruru gomenti.

32. Enwere ike kpoo iwu a, "Iwu Eji Ama Ihe Mere Eme" Aha iwu a

ESIM OTUA KWUE NA SITE IKE AHIRI (2) NKE NPAHARA (2) IWU OTONTIKATION AKTI  NKE DI NA IWU NDI NAIJIRIA ACHIKOTARA NA 2004, NA IHEA BU IWU AHU NDI OME IWU GOMENTI ETIT MERE

SALISU ABUBAKAR MAIKASUWA, mni

ONYE ODE AKWUKWO NKE NDI OME IWU GOMENTI ETITI

ABALI IRI ABUO NA ASAA NKE AFO 2011

I CERTIFY, IN ACCORDANCE WITH SECTION 2 (1) OF THE ACTS AUTHENTICATION ACT, CAP. A2, LAWS OF THE FEDERATION OF NIGERIA 2004, THAT THIS IS A TRUE COPY OF THE BILL PASSED BY BOTH HOUSES OF THE NATIONAL ASSEMBLY.

SALISU ABUBAKAR MAIKASUWA, mni
CLERK TO THE NATIONAL ASSEMBLY

27TH DAY OF MAY, 2011.

IHE NA ESO NKWADO IWU EJI ACHOPUTA IHE MERE EME

| AHA MKPIRISI NKWADO IWUA | AHA OGOLOGO NKWADO IWUA | IGBU IHE IWU KWADORO IMAI HE NA EME NA MKPIRISI | UBOCHI NDI SINETI KWEKORI-TARA KA OBURU IWU | UBOCHI NDI HAUSU KWEKORITARA KA OBURU IWU |
|---|---|---|---|---|
| Iwu Eji Achoputa Ihe Mere Eme | Iwu emere ka odiri ohanaeze mfe ima ihe na eme na gomenti, chekwa ihe na eme na gomenti ka aghapu iji ya megbuo onye obula, kpuchite ndi oru gomenti ndi mere ka ndi ajuju mara ihe na eme na gomenti, na hiwe ukpuru aga eso mee ka iwua nwe isi | Iwua mere ka odiri ohanaeze mfe ima ihe na eme na gomenti, chekwa ihe na eme na gomenti ka aghapu iji ya megbuo onye obula, kpuchite ndi oru gomenti ndi mere ka ndi ajuju mara ihe na eme na gomenti, na hiwe ukpuru aga eso mee ka iwua nwe isi | 24th May 2011 | 24th May 2011 |

Ekwetaram na iwua di na irum na nke ndi ome iwu gomenti etiti kwadoro but otu ihe dika Iwu Otontikashon Akti nke di na nchikota iwu ndi Naijria nke 2004 kwuru.

SALISU ABUBUKAR MAIKASUWA, mni
Onye Ode Akwukwo
Abali iri abuo na ano n'ime May 2011

DR. GOODLUCK EBELE JONATHAN, GCFR,
President ndi Naijiria
Abali iri abuo na ano n'ime May 2011

**Schedule to Freedom of Information Bill, 2011**

| SHORT TITLE OF THE BILL | LONG TITLE OF THE BILL | SUMMARY OF THE CONTENTS OF THE BILL | DATE PASSED BY THE SENATE | DATE PASSED BY THE HOUSE OF REPRESENTATIVE |
|---|---|---|---|---|
| **Freedom of Information Bill, 2011** | An Act to make public records and information more freely available, provide for public access to public records and information, protect public records and information to the extent consistent with the public interest and the protection of personal privacy, protect serving public officers from adverse consequences for disclosing certain kinds of official information without authorization and establish procedures for the achievement of those purposes and; for related matters. | This Bill seeks to make public records and information more freely available, provide for public access to public records and information, protect public records information to the extent consistent with the public interest and the protection of personal privacy, protect serving public officers from adverse consequences for disclosing certain kinds of official information without authorization and establish procedures for the achievement of those purposes. | 24th May, 2011 | 24th May, 2011 |

I certify that this Bill has been carefully compared by me with the decision reached by the National Assembly and found by me to be true and correct decision of the Houses and is in accordance with provisions of the Acts Authentication Act Cap, A2, Laws of the Federation of Nigeria, 2004.

I ASSENT.

**SALISU ABUBAKAR MAIKASUWA, mni**
**Clerk to the National Assembly**
**27th Day of May, 2011**

**DR. GOODLUCK EBELE JONATHAN, GCFR**
**President of the Federal Republic of Nigeria**
**28th Day of May, 2011**